mmadụ na ụlọ-ọrụ ndị a niile. N'iji maa atụ, Annieblac tailoring school, dị na Nsukka, na-akwapụta ụdị efe dị iche iche ha gosiri ma kọwakwa n'Ịntanetị. Ị ga-ahụ ha na Websaịt ha, na Facebook nakwa n'ebe ndị ọzọ n'Ịntanetị. Nihi nke a, ndị bi na Lagos na State ndị ọzọ na-agwa ha ka ha kwaara ha efe.




Modified by Chris P. Udochukwu Njoku (2020)
- Originally made without "daalụ," "na gode" and "osé" by Perkins & Lowenthal (2019)

**Ikike ịkọpị, imezigharị na ikesa ọmụmụihe a**

*E mere ọmụmụihe a maka ndị* Nigeria na ụmụ Africa *ndị ọzọ. I nwere ike imezi ma ọ bụ megharịa ọmụmụihe a, kesakwaa ya dịka ikike nke Creative Commons (CC) BY si dị. Mgbe i meziri ma ọ bụ megharịa ya n'ụdị ọbụla, ị ga-edepụtarịrị na nke gị sitere na nke a dịka Researchers on ICTs in Education in Africa (RICTHE Africa) na Commonwealth of Learning (COL) siri* kwàdo ka e mee nakwa kesaa ya n'ikike CC-BY (https://creativecommons.org/licenses/by/4.0/).

# Gịnị bụ Ịntanetị na uru dị na ya? 1



**ỌMỤMỤIHE INFORMATION TECHNOLOGY ma ọ bụ COMPUTER STUDIES**

Nke e mepụtara n'ọnwa Maachị, Afọ 2021
N'aha
Researchers on ICTs in Education in Africa (RICTHE Africa)
na
Commonwealth of Learning
Learning for Sustainable Development

Ịntanetị nwere ọtụtụ ndè akwụkwọ, ihe ọgụgụ ndị ọzọ, vidio, ihe ndị a na-egè ègè, nakwa ndị e sere èsè, nke i ga-ewere ka ha bụrụ nke gị n’akwụghị ụgwọ, i ga-ejikwa kwalite amamihe gị, inweta ego, otu i si-arụ ọrụ, otu e si-ekwu okwu, mmekọrịta, na ihe ọbụla dị gị mkpa. Ị gaghị akwụnwu ụgwọ ihe ndị a niile ma ị gaa ịzụ ha n’ahịa, ma ọ bụrụ na ị ga-ahụ ha n’ahịa.

*Uru nke abụọ*




Ndi no na foto a bi na mba di iche iche n’Afrika. Otutu n’ime ha ahubeghi ihunihu, ma ha maara onwe ha, na-emekoritakwa, dika ndi si n’Intanet akuzi nkuzi.

Ịntanetị na-ewulitekwa mmekọrịta gị na ndị mmadụ, ma ndị ị na ahụbeghị anya mbụ, bụ ndị nọ n’obodo dị iche iche dị anya. Gị na ọtụtụ ndị ị na amaghị ga-amata, na-arụkọrịtakwa ọrụ, mana e nwere ike gị na ha a gaghị ahụ anya na ndụ unu niile.

*Uru nke atọ*

Ị ga-esite n’Ịntanetị gosi ọtụtụ mmadụ na ụlọ-ọrụ nọ na mba dị iche iche akaọrụ gị, amamihe gị, nakwa ihe niile i na-emepụta. E wezụga Ịntanetị, e nweghị ka i ga-esi ezute

N’iji maa atụ nke abụọ igosi na Ịntaneti na-eweta **ọganihu nke onwe**:




Ị pụrụ inweta ego n’Ịntanet site n’ịrụ ọrụ nkuzi na ya, ire ahịa, ịsụgharị okwu n’asụsụ ọzọ, ide edemede n’isiokwu dị iche iche, inwe ọtụtụ Websaịt, nakwa itinye ọtụtụ vidio na YouTube. Mụ onwem na-akụzi nkuzi n’Ịntaneti, na-asụgharịkwara ụfọdụ òtù ozi ha nọ n’Ịntaneti n’asụsụ Igbo (e.g. https://www.audiopedia.io/corona/ig/). E nwere otu nwoke nwere Websaịt karịrị otu narị dịka akaọrụ ya.

N’iji maa atụ nke atọ:







**Isiokwu Ọmụmụihe A:** Gịnị bụ Ịntaneti na uru dị na ya? Ọmụmụihe nke mbụ

**Nchịkọta Isiokwu:** Ịntaneti

**Sọbụjetị:** Information Technology; Computer Studies

**Mgbe E Mere Ya:** Ọnwa Febrụwarị, Afọ 2021

**Maka** ndị nọ na klasị nke atọ n’ulọakwụkwọ Praịmarị gbagobe (ma ọ bụ ndị gbara afọ asatọ ma ọ bụ karịa, ọ bụrụgodị na ha anọghị n’ụlọakwụkwọ)

**Ihe Anyị Na-ele Anya Imepụta n’Ọmụmụihe A**: I mechaa ọmụmụihe a, ị ga-enwe ike

1. Kowaa ihe Ịntanetị bụ,
2. Kwuo uru ato, gị, ndị gị na ha nọ, ndị enyi gị nakwa obodo gị pụrụ isi n’Ịntaneti rite

**Ihe Mpụtaìhè**

Ihe ga-apụta ìhè na ndụ gi site n’ọmụmụihe a bụ na ị ga na-eme ihe bara uru n’Ịntaneti ma na-akụziri ndị ọzọ ime otu ahụ.

**Ihe Ndị Dị Mkpà I Ga-Eji Mee Ọmụmụihe a** bụ tebụlụ na oche; akwụkwọ maka ide ihe omume; mkpịsị ode.

# Ọmụmụihe

## Gịnị bụ Ịntanetị?

Ịntanetị bụ njikọta igwe kọmputa na ekwentị na igwe elekịtrọnik ndị ọzọ jikọtara ọnụ n’ebe dị iche iche n’ụwa dum ka ha na-ezikọrịta ozi. Njikọta a na-eyi ọnya nwaudude, ma e see ya esee.

N’iji ọnya nwaudude akọwa ya nke ọma, Ịntanetị dị ka otù nnukwu ọnya nwaudude nke ị ga-ahụ ọnya nwaudude ndị ọzọ nọ n’ụwa na ya. Ebe ọbula otù eriri nke gara gburugburu ọnya nwaudude a jidere aka, obere ọnya nwaudude nọ ya.




Ịntanetị yiri ọnya nwaudude.






## Uru dị n’ikonye kọmputa ma ọ bụ ekwentị n’Ịntanetị

Uru dị n’ikonye kọmputa ma ọ bụ ekwentị n’Ịntanetị dị ọtụtụ. N’imè ka uru ndị a doo gị anya, e jiri ndị ọzọ riterela uru Ịntanetị maa atụ ọtụtụ mgbe.

*Uru nke mbụ*

Ịntanetị na-eweta **ọganihu nke onwe** n’ụzọ dị iche iche.

N’iji maa atụ nke mbụ: Ọ na-enye mmadụ ohere ịgụ akwukwọ ma ọ bụ ịmụ ihe ọbụla a na-àmụ àmụ, dịka ọrụ kapịnta, ịkwa akwà, ịrụ ụlọ, ise foto na vidio, ime breedị, isi nri, ịpị nakwa idozi kọmputa. Ị pụkwara ịmụ ka e si eji Ịntanetị akụzi nkuzi.




Foto a bụ asambodo onye e dere aha ya nwetere mgbe o siri n’Ịntanetị mụta ka e si-agwa kọmputa ihe ọ ga na-eme.